# ỤFỌDỤ AKAMGBA CHERE ASỤSỤ IGBO

**Akidi, Felista Chichi**
**Directorate of General Studies,**
**Federal University of Technology, Owerri**

## Ụmịederede

Asụsụ Igbo maa mma jọọ njọ ọ dịara ụmụafọ Igbo niile. Onye ọ bụla kwesịrị itinye aka mee asụsụ Igbo ka ọ mawaga mma karịa etu ọ dị ugbu a. Ihe kpalitere ederede a bụ na odee leruru anya nke ọma ma chọpụta na ndị Igbo anwaala oko ha ebe ọ dị ukwuu ịhụ na asụsụ Igbo kwụrụ chịm. Ha ka na-agakwa n'ihu ịgba mbọ dị iche iche na ihu na mbọ ndị nke ha gbara efughị ọhịa. N'ihi na e tinye nnu na nri ọ bụrụ na ọ tụghị ya a ga na-etinyekwa ka o were pụta nke ọma, maka na ọ bụrụ na a kwụsị itinye nke e tinyere etinye furu ọhịa. Mbọ ndị a a gbarala gụnyere ime ka nne na nna ghọta mkpa ọ dị isi n'ụlọ malite ịkụziri ụmụaka asụsụ Igbo, ya bụ ịzụlite nwata ụzọ ọ ga-esi etoo, ka ọ ghara ịhapụ ụzọ ahụ mgbe o toro (proverb 6:22), ịkụzi Igbo bido n'ụlọakwụkwọ kacha ala ruo na nke kacha elu, iji asụsụ Igbo ezi oziọma, ihiwe otu na ọgbakọ dị iche iche e ji akwalite asụsụ Igbo dgz. Ọtụtụ oge ka a na-ahụta na mbọ ndị a nwere ihe ndị na-agba ha ụkwụ site n'aka ndị Igbo n'onwe ha. N'ihi na mmadụ anaghị amata uru ihe o nwere bara rue mgbe ọ chọrọ ya achọọ. Akamgba ndị a chere asụsụ Igbo gụnyere: agwa ndị nne na nna, nleli anya, e nweghị afọ ojuju, ihere, ndị isi ga-enye aka hazie aghazie na-ekposa ekposa na ihe ndị ọzọ. A chọpụtara na asụsụ Igbo zuru oke maa ụma. O nweghị ihe asụsụ ndị ama ama n'ụwa nwere asụsụ Igbo enweghị. Ya bụ onye Igbo ọbụla kwesịrị inwe ojuju afọ n'ebe asụsụ Igbo dị ma tinye aka kwado asụsụ Igbo nke ọma maka na a gbakọọ ọnụ nyụọ maamịrị ọ gba ụfụfụ.

## Mkpọlite

Ebe onye bi ka ọ na-awachi n'ihi na mmadụ hapụ ịracha ọnụ ya, ụgụrụ arachaara ya. Onye anọghị n'ụlọ e buru abọ ya. Onye anọghị nso ji ya eghe otu akụkụ maọbụ ree ọkụ. Ya mere ndị Igbo n'onwe ha kwesịrị iji aka ha kwado asụsụ ha nke ọma ma ghara ịdị na-agba asụsụ ha ụkwụ. Ihe ọ bụla bụ nsogbu asụsụ Igbo nwere taa si ndị Igbo n'onwe ha n'aka.

Asụsụ bụ oke Chukwu kenyere agbụrụ ọ bụla iji mee ka ndụ na-aga nke ọma. Agbụrụ ọ bụla tufuru nke ha enweela nnukwu nsogbu n'ihi na ha agaghịzị enwe ike aghọta onwe ha. Ndụ ha ga-adịzị gharaghara. Asụsụ Igbo ka Chineke

nyere ndị Igbo ka ha were na-eme ihe niile e ji asụsụ eme. Iji gosi na asụsụ Igbo zuru oke, ndị Igbo oge ochie jiri asụsụ Igbo mee omenala niile ha mere, ha ejighị asụsụ ọzọ, ha jiri ya zụọ ụmụ, rụọ ọrụ, zụọ ahịa, kụzie ihe dgz. Ha jiri ya kpaa ike dị iche iche. Gịnị mere anyị agaghị eso nzọ ụkwụ dị etu a? Ka anyị jisie asụsụ anyị ike kwado ya ma na-akwanyere ya ugwu. Ka anyị ghara ịbụ akamgba nyere asụsụ Igbo.

Asụsụ bụ ihe niile nyere mmadụ. E wepụ asụsụ obibi ndụ mmadụ agaghị adị ụtọ, mgbagwoju anya ga-ejupụta na ndụ mmadụ. Asụsụ Igbo baara ndị Igbo uru n'ụdị ọ bụla. Onweghị ihe asụsụ ndị a ma ama n'ụwa ga-eme asụsụ Igbo na apụghị ime belụsọ ma ndị Igbo achọghị. Ndị Igbo agbaala ọtụtụ mbọ iji hụ na Igbo na-aga n'ihu. Ha ehiwela ọtụtụ otu na-akwalite asụsụ na omenala Igbo. Ihe niile ndị a bụ ka asụsụ Igbo na-aga n'ihu oge niile n'enweghị mkpọbi ụkwụ. Mana gịnị ka a na-ahụ n'aka ndị Igbo n'onwe ha nọ n'isi? Onye rịfee ogwe ya si ogwe gbajie? Ndị isi ụfọdụ ka a na-arịa. E wepụta atụmatụ dị mma maka asụsụ Igbo ndị isi ụfọdụ ọ dị n'aka ime ya ka ọ pụta ihe a chọọ ụzọ pichie ya. Ha agaghị achọ ka mbunuche ọma atụmatụ ahụ pụta ihe. Kedụ ọnọdụ ụfọdụ otu dị iche iche e wepụtara maka ịkwado Igbo nọ taa? Kedụ maka ọmụmụ asụsụ Igbo na General Studies (GST) na Mahadum anyị ga taa? Kedụ maka ịkụziri ndị abụghị ndị Igbo asụsụ Igbo na NYSC Orienteshọn Campụ ndị nọ n'ala Igbo? Kedụ ọnọdụ akwụkwọ akụkọ ndị a na-ede n'Igbo? Kedụ ka anyị si akụziri ndị abụghị ndị Igbo bịara n'ala Igbo? Anyị na-ahapụ asụsụ Igbo mụwa nke ha? Ọ dị mma ka anyị leruo anya n'ajụjụ ndị a ma mee nchọpụta tupu anyị azaa ajụjụ ndị a? Mgbe ahụ anyị ga-amata na ọganihu na ọdịda asụsụ Igbo dị anyị n'aka.

## Asụsụ

Anọzie (1999:11) kọwara asụsụ dị ka ụdaolu mmadụ a haziri ahazi. N'otu aka ahụ Okafor na Ewelukwa (2008:1) hụtara asụsụ dị ka ụzọ ndị ochie chọpụtara ka mmadụ na ibe ya wee na-ekwurịta okwu, na-agwarịta ibe ha ihe ha chọrọ ka ha mata. Asụsụ bụ onyinye Chukwu n'ebe mmadụ nọ. E wepụ asụsụ e nweghị ihe mmadụ na-eme nwere isi n'ihi na e nweghị onye ga-aghọta ibe ya. Ya mere mmadụ ji eji asụsụ eme ihe niile ọ na-eme na ndụ.

Mba niile nọ n'ụwa nwere asụsụ. N'ihi na Chineke anaghị ekecha mmadụ gbaba ya aka. Asụsụ bụ onyinye Chukwu. Onye ọ bụla ñụjuru mmiri ara afọ ekwesịghị iji onyinye Chukwu nyere ya gwue egwu. N'ihi na onyinye Chukwu a dị ọkpụ, o kwesịrị ichekwa ya n'ụzọ pụrụ iche ma were ya na-eme ngala. Akịdị (2009:26) kwuru na ọ dị mkpa ka anyị mata na asụsụ Igbo dị ọkpụ. Mmadụ tufuo asụsụ ya, ọ tufuola njirimara ya. Onye ahụ efuola.

Njirimara mmadụ bụ asụsụ n'ihi na ọ bụ naanị mmadụ nwe asụsụ. Njirimara ka e ji mata ebe onye si, ihe ọ na-eme na ihe ọ pụrụ ime.

O kwere nghọta na asụsụ malitere mgbe mmadụ hụrụ onwe ya n'ụwa. Asụsụ ka ndị gboo jiri bie ndụ ha. E nwebeghị onye nwere ike ịsị lee onye malitere ịsụ asụsụ n'ụwa. Ndị mmadụ a ma ama chọpụtara ọtụtụ ihe dị n'ụwa dị ka: baa route to India, ụgbọelu, intanet, na ihe ndị ọzọ mana a maghị onye chọpụtara maọbụ bidoro asụsụ.

Ọtụtụ ọrụ asụsụ na-arụ karịrị uche mmadụ nghọta. E wepụ asụsụ, obibi ndụ enweghị isi. Asụsụ na-eme ka ndụ na-atọ ụtọ. Dike (2004:4) hụtara asụsụ dị ka ihe e ji egosipụta ume ọma mmadụ nwere n'ebe ibe ya nọ, mmadụ na ibe ya na-eji asụsụ anọrịta, kpaa nkata na-enyere ndụ aka. N'otu aka ahụ, Akidi (2008:93) si na asụsụ ka mmadụ ji ezipụta, mbunuche, mmetụta na ihe ọ chọrọ. E wepu asụsụ, nghọta agaghị adị n'etiti mmadụ na ibe ya, agaghị enwe ohere ịrụkọta ọrụ ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ na ndụ mmadụ enweghị isi agaghị enwe ọganihu.

Obodo enweghị asụsụ adịghị n'elu ụwa. Kama obodo nwere ike ikwe ka asụsụ ha nwụọ. Obodo ọ bụla asụsụ ha nwụrụ anwụọla n'ihi na ha enweghịzi njirimara ọzọ. E nweghị ihe a ga-eji cheta ha ọzọ. Asụsụ obodo na-enwe nhazi na nghọta dịka omenala ha siri nabata, n'ihi na ọkwa mba na-achị n'olu n'olu, ebe nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Ya ka o ji dị mkpa na mba ọ bụla kwesịrị inwe ojuju afọ n'ihe ha nwere dị ka asụsụ ma chekwaa ya nke ọma n'ụzọ pụrụ iche site n'igụ, ide na ịsụ ya bụ asụsụ na kwa ịkụzi ya bido n'ụlọ akwụkwọ dịkarichara ala ruo n'ụlọ akwụkwọ kacha dị elu Ezeuko na Chira (2005:1)

> kwuru na asụsụ ọ bụla ma e dere ya ede ma e kwuru ya n'ọnụ sitere na nhazi mkpụrụụda na ibe ya iji mebe okwu, ya na ndokọ mkpụrụokwu na mkpụrụasụsụ n'usoro dị mma, ka e were mebe ahịrịokwu nwere echiche na nghọta zuru oke.

Asụsụ niile dị n'ụwa nwere olundị bịa nwekwaa olu izugbe maọbụ asụsụ izugbe. Olundị ka a na-asụ n'ime ime obodo ebe asụsụ izugbe bụ asụsụ ndị ọchịchị, ndị mepere anya na ndị gụlitere akwụkwọ. Anyị ga-amata na ọ bụ n'olundị ka e si enweta asụsụ izugbe. Ya bụ ma olundị ma asụsụ izugbe dị mkpa n'asụsụ ọbụla, ọ bụrụ na nke a adịghị nke ọzọ agaghị adị.

## Asụsụ Igbo

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo nwe. Ya ka ha ji eme omenala, azụ ahịa, arụ ọrụ, emekọrịta ma na-eme ihe ndị ọzọ dị iche iche. Asụsụ Igbo pụrụ iche n'ihi e nweghị asụsụ ọzọ dị n'ụwa ya na asụsụ Igbo nwere otu ndị njirimara kpọmkwem (Akidi 2012:217). N'otu aka ahụkwa, Ugoh (1999/2000:14) mere ka o doo ewu na ọkụkọ anya na asụsụ Igbo dị ka 'dike' kwụụrụ onwe ya. Asụsụ Igbo, dị ka onyinye Chineke nyere ndị Igbo niile kwesịrị ka Igbo niile na-enye ya nkwado pụrụ iche, site n'ịmụ, ịgụ, ide na iji ya eme ihe niile mmmadụ ji asụsụ eme n'ụwa.

Asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị ọzọ a ma ama n'ụwa nwere olundị na olu izugbe. Asụsụ Igbo, ma olundị ma Igbo izugbe nwere usoro nhazi dị ka nghọta na omenala siri nabata. Iji maa atụ n'Igbo izugbe, mgbochiume abụọ anaghị anọkọ ọnụ n'otu okwu. Ebe mgbochiume abụọ nwere ike ịnọkọ bụ mgbe otu na-arụ ọrụ dị ka myiriụdaume na mgbe ọ bụ mgbochiume mkpị, ụdaume abụọ nwere ike ịnọkọ ọnụ n'otu okwu kwe mkpọpụta n'ihi na ọ bụ ụdaume na-ewepụta ụda n'asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na mgbochiume abụọ na-arụ ọrụ dị ka mgbochiume nọkọọ ọnụ n'otu okwu ụda ha agaghị apụta nke ọma. Okwu ahụ agaghị ekwe ọkpụkpọ na nghọta. (ịnọkọ ọnụ m na-ekwu bụ isote onwe ha ozugbo n'otu okwu).

N'asụsụ Igbo, olundị ka e si amata ebe mmadụ si kpọmkwem ma ọ bụrụ na mmadụ were olundị kwuo okwu, maka na mba ọ bụla nwere ihe ha jiri biri. Ya mere Nebo (1999/2000:4) jiri dee na Igbo na-asụ n'olu n'olu, ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. Demson (2003:92) hụtara olundị maọbụ olumba dị ka olu ndị ahụ ndị Igbo na-asụ na mpaghara ha dị iche iche.

Asụsụ Igbo dị ka asụsụ nwere usoro na nhazi nwere ọtọgrafi nke onye ọ bụla na-agbaso were ede Igbo izugbe nke a kpọrọ Ọtọgrafị 'Ọnwụ 1961'. Nwaozuzu (1999/2000:13) kọwara na ọ bụ ka o ruru n'afọ 1961 ka gọọmenti hiwere otu nke onye dibịa oyibo bụ Dọkịta S.E.Ọnwụ bụ onye ịsị ya. Nhazi ọtọgrafi a nyere aka ka asụsụ na omenala Igbo na-agawaga n'ihu ma taa: "Asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị a ma ama n'ụwa niile, a haziri ya nke ọma iji nwee ike ide ma sụọkwa ya n'agbanyeghị ndịiche na olundị dị na ya, Ugoh (1999/2000:14). Olundị dị mkpa n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ n'olundị ka Igbo izugbe si pụta Akidi (2008:78).

Asụsụ Igbo na-aga n'ihu kwa ụbọchị mana ọtụtụ ihe na-agba nkwalite asụsụ Igbo ụkwụ. Agbamụkwụ a na-eweta oke ihe nhịaahụ ebe ndị na-agba mbọ

ịkwalite asụsụ Igbo nọ. Kaosiladị, akamgba chere onye ọ bụla bụ onye Igbo bụ ịhụ na asụsụ Igbo toro karịa ka ọ dị ugbu a. N'ihi na gidigidi bụ ugwu eze, igwe bụ ike. Ebe otu obi bụ ọganihu.

**Ụfọdụ Ihe Ndị Na-adọla Asụsụ Igbo Azụ gụnyere:**

a) Enweghị Afọ Ojuju n'Ebe Asụsụ Igbo Dị

Ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe etu e siri jiri asụsụ Bekee, Frenchị na asụsụ ndị ọzọ a ma ama kpọrọ ihe, so n'otu ihe na-adọla asụsụ Igbo azụ. Onye Igbo nwere ike ịgba mbọ iso mee ka asụsụ ndị mba ọzọ gaa n'ihu ma na-atụkwa aro ihe a ga-eme ka asụsụ Igbo nwụọ pịị. Onye Igbo nwere ike ịgụ asụsụ onye ọzọ gụrue ya n'isi. Mana onye Igbo a gụrụ asụsụ onye ọzọ ga na-asị e ji asụsụ Igbo eme gịnị?, asụsụ Igbo biri n'ala Igbo, enweghị ebe e ji asụsụ Igbo aga. Mana dịka m siri hụ ugbu a, ndị jepụrụ eju pụ na-amata na asụsụ ọbụla bara uru nye ndị nwe ya na ndị ha na ha na-emekọ ihe.

Onye ọbụla bụ onye Igbo kwesịrị ịbụ onye nkụzi. Ọ bụghị sọ ide ihe n'ugbo ojii na-eme mmadụ onye nkụzi. Onye Igbo ọbụla nwere ike inye aka kụziere, ma gbaziere ndị a na-ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe na-asị e ji asụsụ Igbo eme gịnị? Mee ka ha mata na asụsụ Igbo bara oke uru; ihe ọbụla asụsụ Bekee mere asụsụ Igbo pụrụ ime ya. Ọ bụ ndị Igbo n'onwe ha kwesịrị ịkwalite asụsụ Igbo ma nwee ojuju afọ n'ebe asụsụ ha dị. N'ihi ihe mmadụ kpọrọ ihe ya ka ọ ga-aza. Dịka Woode (2012) siri kọwaa, Asụsụ Bekee nọrọ n'ohu n'ebe asụsụ Frenchị nọ ihe dịka (300 years) afọ narị atọ. Mgbe ahụ, ndị na-asụ asụsụ Bekee bụ ndị na enweghị ka ọ dị ha na ndị emepeghị anya. Mana taa, asụsụ Bekee ka a hụziri dị ka asụsụ ndị mepere anya, asụsụ ndị ọgaranya na asụsụ ụwa niile ji ezi ozi, agụ akwụkwọ, arụ ọrụ gọọmenti na ihe ndị ọzọ.

Ndị Igbo nwekwara ike ịgba ụdị mbọ a iji mee ka asụsụ Igbo na-ada ụda n'ụwa niile. Ọ bụ ndị Igbo ga-agbadosi anya na ụkwụ ike were kwado asụsụ ha n'ihi ebe onye bi ka ọ na-awachi. Ọzọkwa bụ na mmadụ ga-ebu ụzọ si lekwa ebe ya nọ tupu a hụ ya. Onye hapụ ji ya n'ọkụ o ghee otu akụkụ ma ọ bụ rechaa kpamkpam. Ya bụ ka anyị bụ ndị Igbo jisie ike n'ọrụ.

Anyị na-ahụta mgbe ụfọdụ n'ọgbakọ bụ naanị ndị Igbo nwe ya, mmadụ were asụsụ Igbo tọrọ ụtọ na ntị, e jiri ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu dgz dabara adaba ma nwee ezi nhazi gwa ọha okwu a hụta onye ahụ dị ka onye amaghị akwụkwọ. Mana mmadụ were asụsụ Bekee na-aga ya were were n'ọnụ na-ekwu okwu, ma ọ ma asụ ma ọ maghị asụ a na-ahụta onye ahụ dị ka onye maara akwụkwọ n'etiti ndị amaghị ihe.

Anyị kwesịrị imata na asụsụ Igbo agbagoola nke ọma karịa etu ọ dịbụ mbụ. Ya bụ onye ọ bụla kwesịrị inwe afọojuju n'asụsụ anyị bụ asụsụ Igbo. Onye Igbo ọ bụla kwesịrị ị na-elegara asụsụ Igbo anya ọma n'ihi na asụsụ Igbo adịghịzikwa ka nwa ihe a ga na-elelị anya. Ume. Ugoji na Dike (2008:iụ) kwuru na oge agaala mgbe mmadụ nwere ike iji naanị nwa fechafecha ihe ọ maara n'asụsụ bekee malite ịkọwa ụtọasụsụ Igbo. Ya bụ ka ndị Igbo nwee afọ ojuju n'Igbo ma gụọ ma mụta Igbo nke ọma, ka onye Igbo ghara ịsị ana m amụ asụsụ Igbo e nwere ihe m amaghị n'Igbo?

(b) Nleda Anya

Mmadụ anaghị ama uru ihe o nwere bara were rue mgbe o fulahụrụ ya. Ọtụtụ ndị Igbo na-eleda asụsụ ha anya, n'ihi na ha chere na asụsụ Igbo abaghị uru. Ha na-eleda ndị na-amụ, ndị na-asụ, ndị na-agụ na ndị na-akụzi Igbo anya nke ukwu. Ọtụtụ mgbe ka ndị dị etu a na-eleghara onye na-asụ Igbo dị ka onye amaghị ihe, onye amaghị akwụkwọ na onye agụghị akwụkwọ. Onye gara mahadum ịgụ Igbo ka ha na-ahụta dị ka onye amaghị nke a kọrọ na onye amaghị ihe ekwe na-akụ. Ụfọdụ na-asị ọ kwa onye ahụ gụchaa Igbo ya akụzibe Igbo. Onye ahụ ọ chọrọ ịda ogbenye ebighị ebi? Ya mere ha na-elegara onye nkụzi Igbo dị ka onye aghọtaghị onwe ya. Ụfọdụ sị na onye na-akụzi Igbo enweghị ihe ọ ma, enweghị ihe dị n'ụbụrụ isi ya.

Nleda anya so n'ihe na-adọghachi asụsụ Igbo azụ. Nchọpụta gosiri na ihe karịrị ọkara ndị niile gụrụ Igbo ejighị anya ọma gụọ ya. Ụfọdụ gụrụ ya n'ihi na ha amaghịzi ihe ha ga-eme. N'ihi ya ha na-agụ ya n'ụjọ n' enweghị afọ ojuju. Ọtụtụ mgbe ka ndị mmadụ na-eji Igbo eme jide chọba. Ha na-agụ Igbo ma ọ bụ na-akụzi Igbo ka na-eleghari anya ihe ọzọ ha ga-eme. Obi abụọ ndị a ha na-enwe na-eme ka ha ghara ịmụta, ịgụ na ide asụsụ Igbo nke ọma. Mana ka anyị mata na ihe ọ bụla mmadụ na-eme, o kwesịrị imezi ya nke ọma.

Ka anyị mata na echiche abaghị uru ndị mmadụ na-eche banyere ndị na-asụ, agụ, ede na ndị na-akụzi Igbo abụghị eziokwu. E leruo anya nke ọma ọ bụ ndị na-eche echiche enweghị isi a bụ ndị amaghị ihe na ndị amaghị akwụkwọ n'ihi na akpọpụta ha bịa dee ma ọ bụ kụzie Igbo ha agaghị emetali ya nke ọma. Ị lebakwuo anya nke ọma ị ga-ahụ na nke ha na-eme ha anaghị eme ya nke ọma ọ bụ ya ka ha jiri nwee efe ha ji agba asịrị. Mana anyị ga-amata na Igbo adịzighị etu ahụ ha chere. Asụsụ Igbo pụrụ inyeju mmadụ afọ, nye ya ezigbo ọrụ, mee ka aha ya daa ụda n'ụwa anyị nọ taa ma onye ahụ mee nke ọma n'asụsụ Igbo.

Ch. Ihere

Nleda anya, a na-eleda Igbo na-eduba ụfọdụ n'ihere. Ya mere ọtụtụ ndị mmadụ anaghị enwe mmasị ịgụ Igbo n'ụloakwụkwọ dị elu n'ihi ihere ihe ndị mmadụ ga-ekwu. Ndị na-agụ agụ ihere ikwu na ha na-agụ Igbo na-eme ha. Ụfọdụ na-agụ Igbo na kọleji nke edukeshọn na-agwa ndị mmadụ na ha na-agụ medisin ma ọ bụ injinịarịn na kọleji nke edukeshọn. Ha na-ejikwa ihere na-ezo akwụkwọ Igbo ha ezo. Ihere a na-edunye ndị mmadụ n'obi abụọ mgbe ụfọdụ ha hapụzie ịgụ Igbo ha na-agụ bụrụzie ndị na-agụchaghị akwụkwọ ha (drop out). Ụfọdụ bido legharịa jambụ banye ịmụ ihe ọzọ mgbe ụfọdụ ha nọrọ ebe ha na-ele jambụ oge agaa. Ụfọdụ ndị nkụzi Igbo anaghị ede ihe ngụpụta ha (conference paper) n'Igbo n'ihi ihere. Ihere na-eme ka ndị ntorobịa ghara inwe mmasị n'asụsụ Igbo.

d. Ndị isi

Ọtụtụ mgbe ndị hụtara onwe ha n'isi ụlọ ọrụ, ụlọ akwụkwọ na otu dị iche iche na-agba mbọ dị egwu ịhụ na asụsụ Igbo nwụrụ pịị maọbụ debe ya ọnọdụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Ha na-eti iwu dị iche iche ịhụ na asụsụ Igbo anọnyeghị ebe ihe ọmụmụ ndị ọzọ dị. Ha na-ewere asụsụ Igbo debe n'akụkụ.

N'ụfọdụ ụlọakwụkwọ ndị dị elu ebe a na-eme Igbo dị ka "General Studies" ndị isi anaghị enye Igbo ohere e nyere ihe ọmụmụ ndị ọzọ dị ka Fịlọsọfi, Sọshịọlọjị, Inglishi dgz. Ndị isi dị etu a na-agba mbọ itinye ndị na-akụzi Igbo n'ọnọdụ nhụju anya na anya mmiri site n'anaghị ekwe ka oke ruru ndị nkụzi a rute ha aka. Ọtụtụ mgbe ka ha na-etiri ụmụakwụkwọ iwu ka ha ghara ime Igbo na "General Studies".

Ụfọdụ ndị isi nwe ụlọakwụkwọ nke mmadụ nwe (private school) anaghị ekwe ka a mụwa ma ọ bụ kụziwe Igbo n'ụlọakwụkwọ ha. Ha na-eche na ịkụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ ha ga-eme ka e leda ụlọakwụkwọ ha anya ma hụta ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ha dị ka ndị na enweghị ihe ha chị.

Mgbe ụfọdụ e nwee nzukọ banyere Igbo ndị isi na-enye iwu ka e dee ma gụpụta ihe n'oyibo ka mmadụ niile were ghọta. M were na-ajụ sị, iwu dị otu a ọ na-akwalite asụsụ Igbo ka ọ na-akwada ya? Ọ bụrụ na e nwere ndị amaghị Igbo n'ọgbakọ dị etu a, o kwesịrị ka e nwee ọkọwa (interpreter).

e. Ndị Nkụzi

Akamgba ndị chere asụsụ Igbo mere enweghị ndị nkụzi buru ibu na-akụzi Igbo. Ọtụtụ na-akụzi Igbo agụghị Igbo, ha amaghịkwa ede Igbo nke ọma. Mgbe ụfọdụ ha na-azụpụta ndị dị ka ha n'ihi na ọ bụ ihe mmadụ nwere ka ọ na-enye. Mmadụ anaghị enye ihe o nweghị. Onye nkụzi kwesịrị ịkụzite na idete Igbo otu o kwesịrị. Anọzie (1999:37) sị na ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ọmụmụ asụsụ kwenyere na o nweghị usoro nkụzi asụsụ ka ibe ya mma nke otu ahụ. Mana ezigbo onye nkụzi Igbo kwesịrị ịgbaso usoro dabara ya na ụmụakwụkwọ ya iji mee ka ha ghọta nke ọma ka asụsụ Igbo na-atọ ụtọ ma na-aga n'ihu.

N'aka nke ọzọ, onye ọ bụla bụ onye Igbo kwesiri ịbụ onye nkụzi ga na akụziri ndị mmadụ uru asụsụ Igbo bara. Nakwa ịkụzi na asụsụ Igbo dịkwa ka asụsụ ndị ọzọ a ma ama dị n'ụwa. Kama ọ bụ etu anyị siri were asụsụ anyị ka ndị ọzọ ga-esi were ya. Nkụzi abụghị so iwere nzu (chalk) dee ihe n'ugbo ojii kama mmadụ nwere ike iji ọnụ nkịtị kụzie ihe ebe ọ bụla.

f. Ezinaụlọ

Agụgụ (2006:71) kwuru na ezinaụlọ bụ ebe mmalite nkụzi na ọmụmụ nke na-adị n'etiti ndị nne na nna na ụmụaka ha ma ọ bụkwanụ ndị ọzọ binyeere ha. Ndị Igbo na-atụ ilu sị na a na esi n'ụlọ mara mma were pụta ezi. Akwụkwọ nsọ were sị ka a zụlite nwata n'ụzọ ọ ga-esi too, mgbe o toro, ọ gaghị ahapụ ụzọ ahụ (Proverb 22:6). Ya bụ, ọ bụrụ na anyị jiri asụsụ Igbo malite ịzụ ụmụ anyị, ha ga-ama na asụsụ Igbo dị mkpa ma bakwaa uru pụrụ iche. Ụmụaka ga-emecha bụrụkwa ndị okenye jirikwa otu aka ahụ were zụlite ụmụ nke ha. Nke a ga-enye aka ka a ghara ịchọ ihe ọ bụla achọ n'asụsụ Igbo n'ọdịnihu.

Na nwata ka a na-esi malite n'ezinaụlọ kụziwere nwata ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ dị ka ezinaụlọ ahụ siri chọọ. Anọzie (2003:121) hụtara na nwatakịrị ọ bụla na-akpa ajọ agwa bụ n'ezinaụlọ ka na-elebara ya anya. Ya bụ nwata a na-azụtalighi n'ezinaụlọ, ọ ga-ahia ahụ ịzụta n'ama. Nwaafọ Igbo ọ bụla kwesịrị iji asụsụ Igbo malite n'ihi na, ihe nwata hụrụ anaghị apụ ya apụ n'obi.

Nne na nna kwesịrị ịhụta asụsụ Igbo etu ha si ahụ asụsụ Bekee. Nne na nna ekwesịghị ichefu na asụsụ na omenala na-agakọ. Nne na nna kwesịrị iji asụsụ Igbo kụziere ụmụ ha omenala ndị Igbo dị mma nke ga-enyere ụmụaka aka ibizi ndụ. Mgbe ụfọdụ ọ na-ara ezigbo ahụ iji asụsụ ọzọ akụzi omenala Igbo n'ihi na ụfọdụ ihe ndị dị na omenala Igbo adịghị na omenala ndị mba ọzọ.

Ụmụaka Igbo kwesịrị ibu ụzọ mụta asụsụ ha tupu asụsụ onye ọzọ. Nke a ga-enye aka ka asụsụ Igbo na-agbado mgbọrọgwụ ghara ịnwụ, gharakwa ime ụmụaka ndị ọbịa n’ala nna ha. N’agbanyeghị nke a, asụsụ Igbo akwụrụla. Asụsụ Igbo agaghị anwụ, ma ụfọdụ ndị nne na nna site n’aghọtaghị aghọta, ha kụziere ụmụ ha asụsụ Igbo ma ha akụzighị. Ma n’ikpeazụ, ha ga-eti ‘mmakwara soro ibe’ mgbe ha na-asụ ma na-akụziri ụmụ ha asụsụ Igbo.

Ya bụ ndị nne na nna na ejighị asụsụ kpọrọ ihe mara ma ghọta na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ maka na asụsụ Igbo agbala mgbọrọgwụ. Chinagọrọm (2009) dere na Nwadike (2008:47-48) kwuru na asụsụ Igbo enweghị ike ịnwụ n’ihi na a na-asụ asụsụ Igbo ọtụtụ ebe, a na-ede Igbo nke ọma, na-akụzi ya n’ụlọakwụkwọ dị iche iche site na nke pekarịchara mpe ruo na nke kacha elu. Asụsụ e nyere ọdị ndụ a enweghị ike ịnwụ.

Mmadụ ịma karịa otu asụsụ dị ezigbo mma n’ihi asụsụ niile bara uru. Mana ọ ka mma na mmadụ buru ụzọ mụta asụsụ ya tupu ọ mụwa asụsụ ndị ọzọ. Mmadụ nwere ike ịmụta asụsụ ndị ọzọ n’ụlọakwụkwọ ma ọ bụ jiri aka ya gụta ma mụta asụsụ ndị ọzọ. Na mbụ, ọ bụ site n’akụkọ ifo ka e si akụziri ụmụaka ịdị uchu n’ọrụ, nsọpụrụ, irụsi ọrụ ike, izere ihe ọjọọ, ime ka ha mata na anyaukwu adịghị mma na ihe ndị ọzọ site n’ezinaụlọ. Mana site n’ejighị ihe kpọrọ ihe dị ndị Igbo n’ahụ, ha na-ahụtazi ihe ndị a dị ka ihe abaghị uru ọ bụla. Nwadike (2003:24) dere na site n’akụkọ ifo, ndị Igbo na-enwe ike ime ka ụmụaka mụta ime ihe ọma gbaara ihe ọjọọ ọsọ. N’otu aka ahụ Ogbalu (2007:115) sịrị na a na-ebido na nwata kụziere ụmụaka ịdị na-ekele ekele ma e nye ha ihe. Asụsụ Igbo na-enye nnukwu aka iji zụọ ụmụaka ka e si enye nsọpụrụ. Arisaukwu (2002/2003) dere na asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa n’ebe onye ọ bụla nọ ọ kacha n’ebe ndị na-eto eto nọ.

g. Ejighị Otu Obi Akwalite Asụsụ Igbo

Nke a so n’otu nnukwu ihe nhịaahụ nye asụsụ Igbo. Ndị na-agba mbọ maka ọganihu asụsụ anaghị enwe otu nkwekọrịta mgbe ụfọdụ. E nweghị onye na-ekweta nke ibe ya kwuru. Onye ọ bụla na-egosi na ya nwekarichara ibe ya n’amamihe. E nwere otu ndesa na otu ndekọ. Ndị ndesa ekwenyeghị n’ihe ndị ndekọ na-ekwu, ebe ndị ndekọ ekwenyeghị n’ihe ndị ndesa na-ekwu. Nke a agaghị enye aka. Mana ọ ga-adị mma ka e nwee nkwekọrịta ma were otu usoro na-ede asụsụ Igbo maka ọganihu.

Ọ bụrụ na e leghachi anya azụ mgbe e jiri gbawa mbọ maka ọganihu asụsụ na omenala Igbo, e hiwela ọtụtụ otu nke mbunuche ya bụ ịkwalite asụsụ na omenala Igbo mana e leruo anya a chọpụta na mbunuche ụfọdụ kpọmkwem

abụghị ịkwado asụsụ na omenala Igbo kama ọ bụ ka ha zara aha maọbụ ka ha fọjuo akpa ha. Kama a ga-enye aka ka a kwado otu nke e hiwere ehiwe ha ahapụ ya gaa hiwe otu ọzọ. Nke a na-eme ka ndị nke e hiwere ehiwe ghara ịgbado mgbọrọgwụ. Ọtụtụ otu ma ndị ochie ma ndị ọhụrụ anwụọla pịị n'ihi ejighị otu obi.

Ọ dị mma ka e tinye aka kwado ma kwalite otu ndị nke e hiwere ehiwe karịa ịgba ha ụkwụ na ibido otu ọzọ n'ihi anyaukwu na obi ọjọọ. Ihe ndị a niile ma ndị ọzọ a na-enweghị ike metụ aka bụ ihe ndị na-echere asụsụ Igbo akamgba; ma n'agbanyeghị asụsụ Igbo na-agbalị ito. E wepụ aka mgba ndị a, ọ bụghị ebe asụsụ Igbo nọ taa ka ọ ga-anọ.

## Alo

N'agbanyeghị ihe nhịaahụ niile dị n'odide na ọgụgụ asụsụ Igbo anyị ga-agbalisi ike ime ka asụsụ Igbo rute ogo o kwesịrị. N'ihi ihe rara ahụ bụ mmadụ na-eme ya.

Ka anyị mata na e nweghị asụsụ ka ibe ya mma. Ya bụ ka anyị na-enwe mmasị ịsụ, ịgụ na ide asụsụ Igbo bido n'ụlọakwụkwọ nta ruo na nke kacha ibe ya elu.

Ka ndị nkụzi Igbo jisikwuo ike na-eme ka ndị mmadụ mata na ezigbo uru dị n'asụsụ Igbo. Ka ha were na agụlitekwu asụsụ Igbo nke ọma.

Ka anyị nyere ndị mba ọzọ bịara n'ala Igbo aka ịmụta, ịsụ na ide asụsụ Igbo. Ka anyị jisie ike kwụsị ịsụrụ ndị mba ọzọ asụsụ abụghị asụsụ Igbo n'ala Igbo.

Ka anyị were otu obi na-akwalite asụsụ Igbo ghara ịdị na-agba onwe anyị ụkwụ.
Ka ndị nkụzi hie aka n'anya nke ọma were na-akụzi ka e si asụ, ede na agụ Igbo. Ka ha wepụ ihere were ọrụ ha kpọrọ ihe ka ụmụakwụkwọ ha wee nwee ezi mmasị n'ịsụ, ịgụ na ide Igbo. N'ihi na ewepụ odide asụsụ, asụsụ ahụ ga-anwụ.

Ka ndị nne na nna bido n'ezinaụlọ were asụsụ Igbo kpọrọ ihe ma were ya na-azụlite ụmụaka ha. N'ihi na asụsụ Igbo kacha mma iji kụziere ụmụaka Igbo omenala. Ka ha mara ihe ala na-asọ nsọ ghara ime arụ. Ka ụmụaka ghara iji agwọ kee nkụ kpọọ ya eriri. N'ihi na okenye anaghị anọ n'ụlọ ewu a mụọ n'ọgbụ.

## Mmechi

Asụsụ Igbo bụ ọ natarachi nke onye Igbo ọ bụla agaghị agbahapụ n'ọsọ. Mmadụ anaghị agbara ihe ọ hụrụ n'ahụ ya ọsọ. Ọganiihu na ọdịda asụsụ Igbo dị anyị bụ ndị Igbo n'aka. Ya bụ ka anyị bụ ndị Igbo hụrọ ma anyị ga-akwada asụsụ Igbo ma anyị ga-akwalite ya. Asị mkwuo, aga m asị na ọ dị mma ka anyị nye aka etu ike kwere anyị were otu obi na ịhụnanya na-ahazi asụsụ Igbo. Ka asụsụ Igbo were na-aga n'ihu werewere.

Isiokwu ederede a bụ ọganihu na ọdịda asụsụ Igbo dị ndị Igbo n'onwe ha n'aka. Nke bụ eziokwu bụ na mbọ niile a na-agba maka ọganihu asụsụ na omenala Igbo bụ ndị Igbo na-agba ya, n'ihi na nke anyị bụ nke anyị, nke ha bụ nke ha. Onye hapụ imezi ihe o jiri biri ndị ọzọ emebie ya. N'aka nke ọzọ, aka mgba niile chere asụsụ Igbo bụ ndị Igbo n'onwe ha na-akpata ya ma na-akwanye ọkụ. Nsogbu niile a bido n'isi ruo n'ọdụ bụ ndị Igbo ka o si n'aka.

Ana m asị, ka onye Igbo ọ bụla leruo onwe ya anya ma jụọ onwe ya ajụjụ ma ọ na-emezi emezi ka ọ na-emebi emebi. Onye na-emezi emezi jisie ike n'ihi na onye a sị jide ka o ji ya mara na nke o ji dị mma. Onye na-emebi emebi ya chegharịa ma bido meziwe asụsụ Igbo maka ọ dị mma ndị Igbo niile. Onye a sị hapụ nke o ji ya mara na nke o ji adịghị mma. Ka ọ dịrị ndị Igbo niile mma ooo!!!

## Akwụkwọ ndị a rụtụrụ aka

Agụgụ, M.O. (2006). *Ndị Igbo na Akụkọ Ala Ha.* Nsukka: Eva-Uniọue Enterprises.

Akidi, F.C. (2008). 'Language Without Words' in *Journal of Language, Art and Cultural Studies.* Vol. 1. Owerri: A.I.F.C.E.

Akidi, F.C. (2009). Asụsụ Dị ka ihe Igbo Agaghị Anwụ. *Opiike Journal of Igbo Language and Culture. Vol. 1. No. 1* Department of Nigerian Languages, Owerri: A.I.F.C.E.

Akidi, F.C. (2011). Standard Igbo and Osina dialeụt: Similarities and differences *AÑỤ Journal of Igbo Arts and Culture.* Owerri: Imo State Council for Arts and Culture.

Akidi, F.C. (2012). 'Igbo Language and its Characteristics' in *Ọja International Journal of Igbo, African and Asian Studies.* Awka: Unizik

Anọzie, C.C. (1999). *Lingwistiki Sayens: Asụsụ.* Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Anọzie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu* (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo) Enugu: Computer Publishers.

Arisaukwu, U. (2002/2003). "Nke m dịịrị m onye gba nkịtị nke ya efuo", n'ọbaokwu *ỌNỌỊ* Vol. II, No. 3. Owerri: Seat of Wisdom Seminary.

Chinagọrọm, L.C. (2009). "Mfụcha Asụsụ Igbo: Ịtụuche *Nkịtị in Opiike Journal of Igbo Language and Culture.* Vol. 1 No. 1. Department of Nigerian Languages. Owerri: A.I.F.C.E.

Demson, C.F. (2003). *Igbo Ogbaraọhụrụ Maka Nkụzi na Omụmụ Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo.* Aba: E- Dems books.

Ezeomeke, S.O. (2004). *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Computer Edge Publishers.

Ezeuko, R.O. na Chira, A.E. (2005). *Fonetiks na Fonọlọji Igbo*. Awka: Kristophel Publishers.

Goodnews Bible (2002). Second edition. Great Britain: Bath Press

Nebo, M.J. (1999/2000). "Nke m ji ka (asụsụ Igbo) n'ọbaokwu *ỌNỌỊ Vol. II. No. 1*. Owerri: Seat of Wisdom Seminary.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifụnanya Publishers.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature)*. Onitsha: African First Publishers Cont.

Nwaozuzu, G.I. (1999/2000). 'Ntolite nkwudo Asụsụ Igbo, n'ọbaokwu *ỌNỌỊ Vol. 2. No.1*. Owerri: Seat of Wisdom Seminary.

Okafo, C.U. na Ewelukwa U. (2008). *Nhazi Asụsụ Igbo Maka Ule Sinịọ Sekọndịrị na Kọleji WASSCE, NECO, GCE na JAMB.* Onitsha: A.C. Global Publishing Co. (Nig).

Sam-Woode (2012). Illustrated Dictionary. Lagos: Academy Press.

Ume, I.A.O., Ugọji, J.U. na Dike, G.A. (2006). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Owerri: Ark Publishers.